*African Scholars Multidisciplinary Journal (ASMJ), Vol.8, June 2024. Pg.253 - 266*

# NKA EJIJE ỌDỊNALA IGBO NA MMEPE OBODO

**NGOZI THEODORA NNEBEDUM, Ph.D**
Department of Linguistics and Nigerian Languages.
Alex-Ekwueme Federal University Ndufu-Alike, Ebonyi State, Nigeria
Email: ngozi.nnebedum@funa.edu.ng

**&**

**PAULINE CHINASA NWIZU, Ph.D**
School of General Studies
Alvan Ikoku Federal University of Education Owerri, Imo State, Nigeria
Email: Paulinecnwizu@gmail.com
Phone: 08037023263

**&**

**VIVIAN CHIKODI CHIBUNDU, Ph.D**
School of General Studies
Alvan Ikoku Federal University of Education Owerri, Imo State, Nigeria
Email:chikodichibundu21@gmail.com
Phone: 08033424112

**Ụmị**
*Nchọcha a lebara anya na nkà ejije ọdịnala Igbo. Ọ tụlere ma wepụta nkà ndị ahụ pụtara ihe n'ejije ọdịnala. E nwetara njantule site n'usoro nsere, ajụjụ ọnụ a gbara ndị mmadụ nakwa site n'ọba akwụkwọ, na nlere anya n'ama ebe e mere emume ọdịnala dị iche iche dika ejije mmanwu, mgba, afa na àjà. E ji atụtụ nkà na atụtụ akara were tụchaa njantụle, ebe usoro ntụcha gụnyere; ileba nkà ejije ndị a anya site n'ikowa akara nka mmepụta na nkwupụta ha. Nchọpụta gosiri na e nwere nkà mejupụtara ejije ọdịnala ndị Igbo. A chọpụtakwara na ejije ọdịnala ndị a nwechara mmebere nkà ejije bụ ndị gụnyere; ndị omee na ndi nkiri, mkparịtaụka, ngwa mmepụta, obom ma ọ bụ ama. A na-akwado ha akwado tupu emepụta ha. Ọzọkwa, ha na-eji nkà asụsụ n'udị atụmatụ okwu na atụmatụ echiche akwara ngwa ọrụ. A chọpụtakwara na ọ bụ ndị omee na-enye aka eme ka nkà ejije ọdịnala pụta ihe, a hụkwara na ejije ọdịnala nwere oge (udu mmiri, ọkọchi, Eke, Orie, Afọ na Nkwọ,) e ji eme ha, etu e si eme ha nakwa ihe kpatara e ji eme ha. N'ikpe azụ, a chọpụtara na ejije ọdịnala Igbo ndi a na-apụta ihe n'asụsụ/olu Igbo site na mbido mmepụta, etiti ma ruo na mmechi/njedebe ejije, ha na-egosipụtakwa odinala, na-ezipụta usoro obibi ndụ ndị Igbo. Ha na-egosikwa nkwenye, omenala nakwa mgbazi ụzọ obibi ndụ nke ogbe ha batara. A tụzịrị aro ka ndị ọchọcha ndị ọzọ were ụdi atụtụ ntụcha ọzọ tụlee atụmatụ amụmamụ a iji wepụta mmejupụtara ejije Igbo ndị ọzọ. Ndị mmepụta ejije na ndị nlere ejije Igbo kwesịrị itinyewe mmebere nkà ejije ndị a n'ọrụ iji weta udo, ma gbokwaa mkpa dị n'ogbe.*

**Isiokwu: Ejije ọdịnala Igbo, Nka, na Mmepe Obodo**

**Abstract**
*This research examined the styles in Igbo traditional drama. It pointed out the styles that are embedded in the traditional drama. Data for the research were collected through tape recording, oral interview and texts from libraries. Data were also collected through observations of traditional Igbo festivals and celebrations like initiations, masquerading, wrestling, divination, rituals etc. Semiotic theory was adapted for data analysis. Data were analyzed descriptively by analyzing the styles and linguistic expressions in Igbo drama. Findings showed that there are styles in the Igbo traditional drama. Findings also revealed other features in traditional Igbo drama like the performers and audience, there is discourse, costumes, and stages. It was also discovered that traditional Igbo drama requires lots of preparations and use figurative speeches to bring*

*out it's aesthetic values, performers bring out the aesthetic nature of the traditional drama through styles and figurative languages. It was also discovered that traditional drama has time, season and reason for their performances like (rainy season, dry season Eke, Orie Afo Nkwo), and the reason and significance of the celebration. Finally, it was observed that the traditional Igbo drama is always presented in Igbo language (dialects) from the beginning, middle and end. They also depict the cultural value/belief, custom and tradition of the Igbo.The study therefore recommends other researches to use different theories to analyse the Igbo traditional drama, bringing out other features of traditional Igbo drama for improvement and development of Igbo language and culture. The study further recommends that performers, spetector/audience of Igbo of traditional drama should put these stylistic and linguistics devices in use in order to promote peace and alleviate the problems of the society.*

**Keywords: Traditional Igbo Drama, Styles and Development.**

**Mkpọlite.**

Nsiripụrụ ejije malitere n'ekpemekpe ọdịnala dịgasị iche iche n'ihi emereme mejupụtara ha. Naanị ihe edochaghị anya bụ ekpemekpe nke o si na ya pụta kpọmkwem. Nke a meziri na ọtụtụ na-abịa hụta ejije na anwansị ekpemekpe dị ka ihe cherịtara ihu. Ụfodụ ndị ọchọcha kwukwara na ọ bụ ezi okwu na ha yitere onwe ha, mana mgbe keàjà nwere mpụtara a hụrụ anya na-esochi ya, ejije enweghị mpụtara ọ bụla na-esochi ya belụ sọ ma ọ bụ ihe mmụta e nwetara site na nkuzi si na mmepụta ejije ahụ. Nke a bụ nke a hụtara mgbe a **r**ụrịtara ụka ma e nwere ejije na ọdịnala mba Afrịka ka o bu na enweghị (Finnegan 1970). Ha chefuru na o nweghị mgbe iwu kwuru na ejije ndị Afrika ga-adịrịrị ka nke ndị mba Yuropu tupu a kpọọ ya ejiji n'ihi na nkụ dị na mba na-eghere mba nri. Nke a bụ maka na, ebimndụ ndị Afrịka na nke ndị Yuropu abụghị otu. Emereme ọ bụla nwere njirimara ejije dị ka mmanwụ, ofufe/àjà, emereme ụmụ aka, ejije mgba na ịgba egwu ngosi dị iche iche bụ nke a ga-akpọ ejije n'ihi na ha nwere akarangwa ejije na-enwe dị ka omee, ndị nkiri, ngwa, ebe mmepụta/ọbọm na usoro mmepụta.

Ejije ọdịnala bụ nke a hụtara mmalite ya site n'emereme metụtara, ekpemekpe, ọrụ ugbo na abamaba bụ nke hiwere isi n'emume èkpè**.** Emume a bụkwanụ nke ihe ndị mejupụtara ha gụnyere; abụ, akọmakọ na njije. Amankulor (1981, ih.113) mere ka a mata na emereme niile a na-eme n'ala Igbo gbadoro ụkwụ n'Ekpè n'ihi na mmemme ya na-esite n'afọ ruo n'afọ. Mgbe a na-eme nke a, a na-eti mmanwụ, eme ejije keàjà, ejije ndị kpara ike n'ụdị ejije mgba, nke ụmụ aka na ndị ọzọ ga. Ebe ọ bụ na ihe a kpọrọ ejije bụ nke a ga-ahụta site n'ọrụ ya na gburu gburu ọ batara, ejije na-ewetakwa mmekọrịta mmadụ na ibe ya site na mkparịta ụka.

Oke mmepe obodo dị n'ụbọchị taa emeela ka ọtụtụ ndị Igbo gharakwa ịma omenala ha ma ọ bụ sụọ asụsụ ha. Nke a ka e kwesịrị ime site n'agụmagụ ọdịnala ọ kachasị ejije. Ka ọ dị taa, akara ngwa ọgbara ọhụrụ nke gụnyere: igwe okwu redio na onyoonyo, ụdịdị ekwe ntị dịgasị iche iche tinyere igwe kọmputa, fecibuku, ịnstagramu, watzaapụ na-akụpụta egwu ma ọ bụ mee ejije ọgbara ọhụrụ n'asụsụ Bekee meziri na ọtụtụ ndị ntorobịa anaghịkwa echeta na e nwere ihe a kpọrọ ejije ọdịnala Igbo.Ụfọdụ na-ahụtazị ihe dịka iti mmanwụ ka nnukwu mmehie ma ọ bụ arụ. N'oge a anyị nọ n'ime ya, Ije n'ụlọ akwụkwọ lee Fada Krismas abụghị mmehie mana ije n'ama obodo lee mmanwụ bụ arụ n'ihu ọtụtụ ndị ụka. Ọ bụrụ na mmadụ maara ekwu okwu nke ọma, o kwuo elu, kwuo ala mana, ọ maghị asụ asụsụ Bekee, a ga-ewe onye ahụ ka, o nweghị ihe doro ya anya. **N**dị amụmamụ na ndị ọchọcha jupụtara n'ụlọ akwụkwọ dị iche iche na-aga eme nchọcha site na njantụle ha nwetara n'ala Igbo, gbaa ajụjụ ọnụ n'asụsụ Igbo ma, mgbe ha mechara nke a, ụlọ akwụkwọ ha na-enye ha asambodo amụmamụ Bekee ma ọ bụ agụgụ ala n'agbanyeghị na ọ bụ Igbo ka ha mere. Nke a bụ iji gosi ụdịdị ásì ndị Igbo kpọrọ asụsụ na omenala ha. Ha dịzị ka Ọmaliko na-asọ ede, ma na-eri ụrị. Nke a meziri na ọ bụrụ na ndị Igbo ana eme ọtụtụ ihe e ji mara ha dị ka nnabata ọbịa, emume a na-eme n'ụlọ akwụkwọ maka ngụcha akwụkwọ na mmechi afọ, ọ bụ naanị egwu ọgbụgba na ngụpụta Bekee ka ha na-asọ mpi na ha. Mgbe ha na-eme mmemme agbam afọ ọhụrụ nwata, ọ bụkwa naanị egwu tịkọm tịkọm ka ha na-agba n'ihi na ọtụtụ ndị mmadụ ọkachasị ụmụ akwụkwọ ụwa ọhụrụ amakwaghị eji asụsụ Igbo eme mkparịta ụka nwere ezi nghọta.

N'ihi ihe mgbarụ ihu dị etu a mere ndị otu UNESCO n'ime Azụonye (2002) jiri hụta asụsụ Igbo ka nke nọ n'ute ọrịa. Ọ bụghị naanị nke a, Igboanụsị (2008) nakwa Nkwọpara (2011), kwenyere n'ihe ndị UNESCO

kwuru ma soro hụta asụsụ Igbo ka nke na-anwụ anwụ. Ọtụtụ ndị Igbo anaghịkwa enwe mmasị ịsụ asụsụ Igbo a mụnyere ha n'ime ya. Nke a mere e jiri bagide nchọcha a ka o buru otu n'ime ụzọ a ga-esi kwalite omenala, agụmagụ nakwa asụsụ Igbo maka mmepe obodo site n'ejije ọdịnala Igbo. Mbunuche nchocha a kpọkwem bụ igosipụta nkà ndị ahụ mejupụtara ejije ebe mbunuche izugbe gụnyere: igosipụta nkà ejije ọdịnala, mwepụta myiri nkà dị n'ejije ọdịnala nke ga-eme ka ụmụ aka na-eto eto nwee mmasị na ya, nakwa mwepụta nka site n'ejije ndị a tulere: ejije mmanwụ, ejije keàjà na ejije mgba. O wepụtagasịrị ọtụtụ nkà mejupụtara ejije ọdịnala Igbo ndị a họọrọ.

## Ntụleghari Agụmagụ

### Nkọwa ihe bụ ejije

Ejije pụtara njije ma ọ bụ nṅomi ihe ọzọ. Ọ bụ ụzọ e si emegharị ihe emeburula mbụ. Ejije bụ emereme pụru iche nke so n'otu ụzọ agụmagụ atọ e nwere. Ọ bụ nke e jikarị mkparịtaụka na mmegharị ahụ eme. Ejije nwere ike ịdị n'ụdị emereme, ekwumekwu, agụmụagụ ma ọ bụ ederede. Mgbe ọ dị n'ụdị ederede, e nwere ike jijee ya ka ọ pụta ihe dịzie n'ụdị emereme. E nwekwara ike idetu nke dị n'ụdị emereme ka ọ dịkwa n'ụdị ederede. Nke a pụtazịrị na ejije bụ mgbe mmadụ ma ọ bụ ihe jijere onye ma ọ bụ ihe ọ na-abụghị. N'ejije, e nwere ike jijee ụwa atọ Chukwu abịaama kere, bụ ndị gụnyere ụwa mmadụ, ụwa anụmanụ na ụwa mmụọ.
A bịa n'ejije ọdịnala, mmanwụ na-eṅomi ndị nwụrụ anwụ, ụmụ aka na-eṅomi ndị okenye, ụgbọ ala na ihe ndị ọzọ ebe ejije mgba na-eṅomi ndị ọka mgba aja na ofufe bụ awansị ebe ejije egwu amala na-ejije aka ọrụ na nkwenye ndị Igbo w.d.g. Na ntụnye nke ya, Nwadike (2003, ih.51) kwuru na, ejije ma ọ bụ nṅomi bụ mmadụ ịnọrọ ala n'oge ozuzu ike ya, bịa megharịwa ihe ndị ahụ ọ na-emebu maka iji nọrịa oge ma kpaa onwe ya na ndị ọzọ obi ọma. Ejije nwere ike bụrụ nke e dere n'akwụkwọ, e mere n'ama, ọbọm, nkwago, tiivii, sịnịma, fiim, ekwe ntị, ọwa yuutub, ududo na ihe onyoonyoo ma ọ bụ nke e kwuru na redio dịgasị iche iche. A kpọrọ ejije *drama* na Bekee. Okebalama (2003, ih.80) kọwara na, ihe ndị Igbo jiri kpọọ *drama* ejije bụ na, ọ na-ejije agwa, ọdịdị, ọnọdụ, anụ ọhịa na anụ ụlọ ma o bu mmụọ na mmadụ. N'ezi okwu, ihe ọ bụla dị n'ụwa a, nke a hụrụ anya na nke a hụghị anya ka ejije na-ejije. Ihe ọ pụtara bụ na ihe niile a hụtụrụla anya, a nụtụrụla na ntị, ndị a hụtụbeghị anya, ndị anụtụbeghị na ntị, tinyere ihe ndị gbatara mmadụ n'uche na ndị agbatabeghị mmadụ n'uche bụcha ihe a na-ejije. Amadiume (1992) kwenyere na ime ejije ọdịnala bụ ọrụ onye ọbụla iji jeere ndị mmadụ ozi. Ya bụ na isi sekpụ ntị n'ejije bụ njije sitere na mkparịtaụka ma nke e dere ede nakwa emereme na nke e deghị ede. Mana ọ dị mkpa ka a mata na ejije anaghị ezu oke belụsọ ma e mepụtara ya na nkwago. Ikeokwu na Onyejekwe (2004, ih.5) kwuru na emereme nwere ike ịmetụta ndụ na obibi ya, ebe ndụ na obibi ya gụnyere: ọmụmụ nwa, ọzụzụ nwa, alụmalụ, echichi, nkà na ụzụ, sayensị, echiche, akwamozu, okpukpere chi na ihe ndị ọzọ yitere ha. Ọ bụzị ihe ndị a niile ka e nwere ike ijije na nkwago ma ọ bụ detuo ha edetuo
Boulton (1960), n'ime Mbah na Mbah (2007, ih.335) kwuru na ejije bụ agụmagụ na-aga ije. Mana, ọ bụghị naanị ịga ije, ọ na-ahụ ụzọ ma na-ekwukwa okwu. Enekwe n'ime Ogunbiyi (1981, ih.8) sị na, ihe e nwere ike ịkpọ ejije emereme sitere n'oge ruo n'oge, site n'emume ruo n'emume, ma sitekwa n'ebe ruo ebe ọzọ. A ga-agbadozi ụkwụ na nkọwa niile ndị a were kwuo na ọ bụrụ na ejije pụtara njije n'ụdị ịdị ka mma, ọ bụ ime ihe ka ihe ọzọ, ihe ọ pụtazịrị bụ na ejije bụ iji akara ngwa jijee mmụọ, mmadụ, anụmanụ na ihe ndị ọzọ. Ihe ndị ahụ a na-ejije nwere ike dị n'ụdị ihe ndị e chere n'echiche na ndị e cheghị n'echiche, ihe ndị a hụrụ na nrọ, ọhụ ma ọ bụ amụma. O nwere ike bụrụ ihe ihe bụ na ihe ọ bụghị. Nke a pụtara na njije bụ ejije.
Na nchịkọta, nkọwa ndị a niile zipụtazịrị na ejije dị ka ngalaba agụmagụ bụ alaka ahụ ji agwa, mkparịtaụka, mmegharị ahụ, akparamagwa, asụsụ, ọnọdụ, nhazi, ntọ ala na ntọ oge were hiwe isi. Na nchọcha a, ejije bụ njije ma ọ bụ nṅomi ihe na-emeghị n'oge ahụ. Ejije dị ka o si metụta nchọcha nwere ike ịdị n'ụdị emereme, ekwurekwu, agụrụagụ ma ọ bụ ederede site na nkà. N'ihi ya, na nchọcha a, ejije pụtara mmegharị niile e megharịrị ihe site na nkà odide.
Etu ndị Igbo siri nwee akụkọ na abụ ọdinala, ka ha siri nwee ejije ọdịnala. Ejije ọdịnala bụ ụzọ niile ndị mmadụ si eṅomi ihe niile e kere eke bụ ihe ndị anya hụrụla na nke anya ahụbeghị, ihe ntị nụrụla na nke ntị anụbeghị. Ihe ọ bụla gbasara mmadụ n'uche ma ọ bụ ihe ọ bụla mmadụ hụrụ n'ọhụ ma ọ bụ rọọ na nrọ, bụ nke o nwere ike ijije. Ejije ọdịnala bụ ụzọ ndị ahụ ndị Igbo si akpa onwe ha o bi aṅụrị site na mmekọrịta ndị omee na ndị nkiri. Nkà ejije ọdịnala bụ nke a na-ahụta ebe ndị omee nọ. Nke a gụnyere ụzọ dị iche iche omee si eji nkà mmegharị ahụ na ekwumekwu adọta uche ndị nkiri, mee ha obi ụtọ ma nye ha ohere ịtụnye ntụnye nke ha.

Ejije bụ ngalaba agụmagụ zuru ụwa niile ọnụ. Ọ na-egosipụtakwa onwe ya ebe ọ bụla a hụrụ mmadụ. Ejije bụ nka chọrọ nnukwu akara ngwa n'imepụta ya. Ya bụ, ịdị uchu, mkparịta ụka na emereme nkà. Nke a bụ maka tupu e jijee ihe ọ bụla a kpọrọ aha, a ga-agba mbọ jikee, kwuo okwu, gaa ije ma kpaa agwa ka ihe ahụ. Na ntụnye nke ha, Dean na Garra n'ime Djisenu (1995, ih.56) kwuru na ejije ọdịnala pụtara egwuregwu maka mmadụ n'ime akụkọ ma ọ bụ emereme, ma ọ bụ nzimozi sitere n'asụsụ ma ọ bụ mmegharị ahụ, echiche n'ụdị mpụtara ihe n'ebe ọzọ. N'ịkwado nke a, Okebalama (2003, ih.81) kwuru sị na, ịdị uchu dị oke mkpa n'ịkwakọwa arịa dum ga-eme ka mmadụ yie ihe ọ bụghị. N'ihi ya, ejije chọrọ adịmuchu. O nwere oge, asụsụ, ebe na usoro e ji eme ha. O nwere ike bụrụ emereme ma ọ bụ oriri ndị obodo dị iche iche. Ihe dị ka mejupụtara mmemme ekpe bụ nke Ọgbalụ (1981) na Nwadike, (2003, ih.51) kwuru na ha na-esite n'ọnwa akọm nri were ruo n'ọnwa owuwe ihe ubi.

Achọlọnụ (1981, ih.127) kewara ejije ọdịnala ụzọ anọ ndị a, ejije mmụọ, egwu, mgba na ntọ àjà, ebe Nwadike (2003, ih.52) kewara ejije ọdịnala ụzọ asaa bụ ndị gụnyere ejije: mmọnwụ/ mmanwụ/mmụọ; ejije afa, ejije ụmụaka, ejije amara, ejije ntọ àjà, ejije mgba na nke egwu agha. Mana, nchọcha a kewara ejije ọdịnala n'ụdị ejije mmanwụ, ejije mgba nakwa ejije àjà.

**Mmanwụ**

Mmanwụ pụtara mma ọnwụ ma ọ bụ mmadụ na ọnwụ. Ọ bụ mbụrụ e ji ezipụta njikọrọ. Ejije mmanwụ anaghị adị ka nke ọgbara ọhụrụ ebe ọhazi/odee na-eji aka ya kee ụwa nye ndị mmee, kama ọ na-enwe ihe mkpachapụ anya pụrụ iche site na ndokọ ruo n'asụsụ emereme na mmepụta ya n'ihi na ọ bụ na ya ka e si amata nhụrụụwa ndị obodo, nkwenye na omenala ha, ebe o metụtara ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ. Usoro mmepụta mma nkà mmọnwụ na-apụta ihe n'ụzọ dị iche iche. Mana ọ bụ iwu na nke ọ bụla ga-ezipụta nkwenye ndị, mmepụta nkwenye ndị, nhụtara nkwenye ndị, nzipụta nhụrụ n'uche gburugburu ebe ọ batara. Usoro ọdịdị nkà mmọnwụ bụkwa nke a na-ahụta site na ntọala, ekike, ngwa, mmejupụtara ekwumekwu na mmegharị ahụ, mbem, nkwa/egwu, ọjịja, ntipụta na ihe ndị ọzọ. E nwekwara ebe ya na ejije ọdịnala ndị ọzọ yiri. Ọ bụ oyiyi ha a mere ha jiri bụrụ ejije ọdịnala Igbo. Oge ụfọdụ, ebe oyiyi a na-agụnye; inwe ndị omee na ndị nkiri, ịpụta ihe n'ama obodo, inwe ihe kpatara e ji eme ha na inwe oge e ji eme ha.

N'ala Igbo, e nwere ọtụtụ mmanwụ dịgasị iche iche a na-esi na ha ejije ma ọ bụ eṅomi ihe ndị ọzọ. E nwere mmanwụ ehihiè na mmanwụ abalị. Abụmchukwu (2018) kọwara na mmanwụ ehihe bụ ndị ahụ e tiri naanị maka iji mee ndi mmadụ obi ụtọ. Mmanwụ ehihè nwere ike ịdị n'ụdị dị iche iche. Ọ gara n'ihu kọwaa e nwere nwa mmanwụ n'ụdị nwịikpọ, ada mma mmanwụ n'ụdị agbọghọ mmanwụ, ike ụdọ ma ọ bụ ori ọkpa dịka okoro mmanwụ. O kwuru na ọ bụ ụdị mmanwụ a na-ama mbem ma sịkwa na e nwekwara Ugo maka nne mmanwụ na Ijere maka nna mmanwụ tinyere onuku maka ndị nzuzu. Na mmanwụ abalị, ọ kọwara na ha dị n'ụdị na ụdị dị ka ọrụ ha siri dị. Iji maa atụ, e nwere Anyaka, Odo Ọmabe. Emume Odo bụ emume mmanwụ e ji mara ndị Nsụka ma bụrụ nke ha na-esite n'ejije mejupụtara ya were zipụta nkwenye na omenala ha. N'ala Nsụka, ụfọdụ ndị dị ka Abụmchukwu hụtara emume mmawnụ Odo ka otu nzuzo ebe onye ọzọ, dị ka Ugwuanyị (2018) hụtara ya ka otu n'ime ụmụ chi ndị Nsụka nwere. O kwuru na o so na chi kacha nwee ugwu n'akụkụ Nsụka. Nke a bụ maka ọtụtụ emereme na njikere mejupụtara ya. Aleke n'ime Madụ (2015) kọwara na Ọmagbe bụ mmanwụ e ji nkà ejije mara, n'ihi na emereme ya niile jupụtara na ihe njije. O kwuru na Ọmagbe bụ mmụọ ndị nwụrụ anwụ weere ahụ na-eje ije ma na-ekwukwa okwu n'ụdị ntọàjà.

**Ejije Ntọàjà**

N'ala Igbo, ejije ntọàjà na-adị n'ụdị ofufe nye ụmụ chi. E nwekwara ike ịkpọ ya ejije ofufe. Nchọcha kọwara na ọ bụ n'ejije ntọàjà ka ejije ndị ọzọ niile siri malite. Nkà emereme ejije ntọàjà na-adị n'ụdị anwansị ma na-ejupụtakwa n'atụmatụ okwu tụmadị ilu, na mmegharị ahụ nkà dịgasị iche iche. Ndị na-eme emereme ntọàjà n'ala Igbo bụ ndị nọ n'ọkwa ọchịchị, ndị eze mmụọ, ndị eze nwaanyị, dibịa agbara na ndị ọzọ. Nchọcha kọwara na a bịa na Rome n'oge gboo, ha nwere ọtụtụ ejije ntọ àjà dị ka nke ha ji ehunyere chi di iche iche di ka *Baal*, *Ashtat* na *El*. N'ime chi ndị a, nke a kacha eme emume ya bụ chi ọmụmụ na ihe akụkụ ubi. Mgbe ha na-eme emume ntọàjà a, a na-esi erimeri dị iche iche, bute mmanya na-aba n'anya ma na-akụkwa egwu na akwalite mmekọ nwoke na nwaanyị. Mgbe ha ṅụjuchara mmanya afọ, ụmụ nwoke ha na ụmụ nwaanyị ha na-ebido nwebe mmekọ iji rịọ chi ha ka o nye ha ọmụmụ ma mee ka ala ha mee nri (Nwadike, 2003, ih.67).

Emereme ntọàjà ụfọdụ dị ka emume ekpe, ma ọ bụ ịwa ji nke ọtụtụ obodo. N'obodo Mbaukwu dị n'ime Anambra, Ichie Ben kọwara na ezigbo onye Mbaukwu agaghị eri ji ọhụrụ ma ọ bụrụ na ndị Mbaukwu emeghị

emume ịwa ji ọhụrụ. O kwuru na ha na-eme emume a n'izu ụka nke abụọ ọ bụla n'ime ọnwa itolu kwa afọ. Mgbe a na-eme mmemme a, ndị eze mmụọ na-aba nzu n'anya, kee ekike ga-ezipụta ọpụrụ iche ebe ndị ọzọ nọ. A na-ahụ ọtụtụ mba ji, nke Igwe obodo na-esite na mmereme ntọàjà waa. A na-ebupụta ya n'ama ebe Igwe ma ọ bụ ndị na-achị obodo ga-agọ ọjị, tụo mmanya ma kelee chi nke Ahịajiọkụ, bịa were mma waa ji ahụ onye ọ bụla erie. Mgbe e mechara nke a, onye ọ bụla nweziri ike iriwe ji ọhụrụ. Ihe mere ka ntọàjà bụrụ ejije gụnyere; ekike, mmeghari ahụ ndị nchụ àjà, okwu ọnụ n'ụdị ilu na mbem ha na-ama tinyere ije ụkwụ ha na emereme ndị ọzọ ga. Ọtụtụ n'ime ha anaghị eji ihu aba n'ọnụ ụlọ kama, azụ ka ha na-eji aba. Mgbe ụfọdụkwa, ọ bụrụ na ndị a na-eme nhunyere a, ha na ndị anaghị ahụ anya na-abịa na-enwe mkparịtaụka. Ha nwekwara ike sị ndị/onye nsonyere kwuo otu ihe ma ọ bụ nke ọzọ. Ihe ndị a niile na-abịa bụrụ ihe nkiri nye ọha na eze. Ọ bụkwa nke a meziri ka ha bụrụ ejije n'ihi nkà njije mejupụtara ha. A ga-ahụta ụdị emereme a n'ebe niile a na-eme ofufe ndụ dị iche iche dị ka abamaba, nnabata, echichi, agụmaha na ndị ọzọ.

**Ejije mgba**

Mgba bụ mmeghari ahụ, nnwude n'ala na ngosịpụta ike ọkpụkpụ aka dimkpa nwere n'ebe ibe ya no. Onye nwere nkà mgba ka a na-akpọ dimgba ma ọ bụ ọkamgba. N'oge gboo, ọ bụ mgba ka e ji amata okorobịa kara aka. Mgba so n'otu ihe e jiri mara ndị Igbo. Etu ụfọdụ ụmụ agbọghọbịa oge ugbu a si agbakwu ụmụ okorobịa ji ego n'oge ugbu a ka ọtụtụ n'ime ha sikwa chụ ụmụ nwoke bụ di mgba n'oge gboo. Ọtụtụ ụmụ agbọghọ ndị a na-eburu onwe ha tụkwu dimgba ma rịọ ya ka ha lụọ di na nwunye n'ihi na a na-ahụta ha ka ọka ibe n'oge ahụ. A hụtara ụdịdị omume dị etu a n'akwụkwọ ejije *Nwata Rie Awọ* nke Onyekaọnwụ, n'ebe Awọrọ na Obiọma nọ. Ọ bụ ụmụ nwoke ka a mara na-agba mgba n'ala Igbo mana Nwdike (ihu:69) kọwara na e nwere mgba ụmụ nwaanyị n'obodo Afikpo bụ nke a kpọrọ mgbele. Oge ihe ndị a na-eme, ya bụ ịgba mgba ma ọ bụ ịgba mgbele, ọ bụghị ejije. Ọ ga-abụ ejije mgba naanị oge a chọrọ iji ya zipụta otu ihe ma ọ bụ ọzọ iji mee ka ọnụ ọchị waa ndị mmadụ. Ọzọ bụ na, a na-enwe ejije mgba ma ọ bụrụ na dimgba anwụọ, mgbe a chọrọ ịkwa ya, a na-eji mgba akwanyere ya ugwu ikpeazụ. Mgbe nke a mere, ọ bụrụ ejije mgba nke bukwa ejije ọdịnala Igbo. Ihe mgba jiri bụrụ ejije bụ na: ọ na-enwe ndị omee na ndị nkiri, ọ na-enwe ekike, ọ na-enwe mkparịta ụka n'ụdị ntichapụ aja na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Ihe ọzọ bụ na a na-agba ya n'ama nke nọchitere nkwago.

**Ọdịdị ejije ọdịnala**

Nchọcha e mere gosiri na ejije ọdịnala Igbo dị ka agụmagụ ọdịnala Igbo na-adị n'ọdịdị dị iche iche site n'etu ọrụ na nzipụta ha siri dị, tinyere etu nkwenye ndị nwe ya siri dị. Ụfọdụ ọdịdị ejije ọdịnala na-enwe bụ: enwetaetinye, keokike, keàjà, oge, keemume, ego na ọtụtụ ndị ọzọ.

Ọdịdị enwetaetinye bụ uche na echiche mejupụtara ejije ọ bụla a kpụ n'ọnụ. Mgbe ụfọdụ, emereme nwere ike yitu otu ebe, ụfọdụ na-adị iche ebe ndi ọzọ dị. Iji maa atụ, ejije egwu amara na ejije egwu mgba yitere n'ihi na ha na-ezipụta mmeghari ahụ n'ụdị ịgba egwu mana, usoro na ọnọdụ agbamegwu ha na-adịwaga iche (Nnebedum, Nwizu na Ọnụọra, 2024). N'egwu amara, ọ bụrụ na a na-agba ya, a na-etinye ma ọ bụ ejije nwaanyị mụrụ nwa ọhụrụ, ndị na-egbu ugbo, ndị na-akwọ ụgbọ amara, ndị na-akwọ ụgbọ ala na ihe ndị ọzọ yitebere ha. Ọtụtụ mgbe, a na-ejijekari dimgba n'oge akwamozu ya ma ọ buru na ha nwụọ. N'ihi ya, ngwa a na-enweta, e tinye na-adị n'ụdị ejije ndị a bụ ndị na-apụta ihe site n'ozi ha jiri bịa.

Ọdịdị ejije ọdịnala keokike bụ ụdị ejije a naghị ekwe ka ụmụ nwaanyị hụ ma ọ bụ mara ihe ndị mejupụtara ha. Okebalama (2003, ih.85) kọwara na n'ọdịdị ejije ọdịnala ndi a, ọ bụghị emereme dụm ka a na-ahapụ ka ụmụ nwaanyị na-ahụ dị ka mmanwụ. Iji maa atụ, oge a na-achịkọta njantule e ji rụọ ọrụ a, a gara ebe ndị obodo Mbaukwu na-eme ntọàjà iri ji ọhụrụ, ka e rutere ma kọwachara Igwe na ndị Ichie ebumnuche nchọcha, ha kwenyere ka ndi ọchọcha sere ihe a na-eme. Mana, e nwere ebe o ruru, ha ekweghị ha banye n'ihi na ha bụ umunwaanyị, nke ọzọ bụru na ndi ọchọcha echighi echichi, maka e nwere ebe ndi echighi echichi na-ejedebe. Ọzọkwa bụ na steeti Anambra, ụmụ nwaanyị anaghị ahụ mmanwụ a na-akpọ Ayakaanya. Iji hụ na iwu a bụ nke e debere nke ọma, a na-ama ezigbo ọkwa tupu Ayaka apụta n'ọgbọ. Ọzọ dị ka ibe ya bụ na ọ bụ naanị n'ime ndeeri ka mmanwụ a ji aga. Igwe Anụgwu kọwara na tupu mmanwụ dị etu a apụta, na a na-eje n'ọnụ ahụhụ, chụo àjà were rịọwa mmanwụ ka ọ pụta. Mgbe ọ pụtara, ọ na-ejikwa ọ́jì ya agwa onye nọ ebe tere aka na ya na-aga n'ụzọ. Mmanwụ ayaka ka Ogbuehi Ikegwụọnụ sịrị na ọ pụta, nwaanyị were zoo ezo hụ ya, ihe mbụ ọ ga-ekwu bụ na 'odudu na-esi', mgbe o kwuchara nke a, ọ ga-enye onye dị otu a ohere ka ọ ghara iji ihe a na-agba na ntị gaa gbawa n'anya. Mgbe onye ahụ kachiri ntị, na-enyo ya, ha kwuru na mmanwụ a ga-eme onye ahụ ka ọ ghọrọ ihe ọzọ abụghị mmadụ dị ka ukwu osisi n'ụdị ntaramaahụhụ. Ụdịdị

mmanwụ ndị ọzọ gụnyere, Ijere, Odo, Ụlaga, Onuku, Adamma mmanwụ, Ajịkwụ, Ikeụdọ, Atụmma na ndị ọzọ.

**Keàjà dị ka ngalaba ọdịdị ejije ọdịnala:**

N'ebe a, isi a hụrụ kwawa okpu na-abụkarị ịchụnyere ụmụ chị àjà ofufe ndụ dị iche iche. Nwankwọ Ogbuji (2018) kọwara na mgbe a na-eme mmemme a onye isi nchụ àjà na-aba nzu n'anya ma kpụrụ ọmụ n'ọnụ. A na-ahụtakarị ejije ọdịnala keàjà ebe a na-efe Arụsị dị iche iche dị ka, Haaba Agụlụ, Arịgom Nimo, Ọmaliko Abateete, Ahịọ (Ahọ) Abagana, Odo Ọmabe Nsụka na ọtụtụ ndị ọzọ ga. Nwankwọ kọwara na; *egwu* ufie bụ naani nwa afọ nwere ike ịgba ya dị ka nkwenye ndị Nimo, Abagana na Ukpo siri dị. Ụmụ nwaanyị ma ọ bụ onye nna ya echighị ọzọ anaghị agba ya.. Nke a bu n'otu n'ime ọtụtụ nsọ dị iche iche a na-asọ n'ejije ọdịnala ke okike.

**Ntụlegharị Atụtụ**

**Atụtụ amụmamụ akara**

A bịa n'etu atụtụ a si metụta agụmagụ, ọ na-akọwa etu e si eji ọdịmara anọchite anya ihe. Charles Morris (1901-1979) mere ka njirimara akara n'ime agụmagụ na-enye aka mee ka nkọwa na iwepụta mma agụmagụ site n'akara e ji nọchie anya ya pụta ihe, nihi mkparịtaokwu ọnụ na akụkụ ahụ nwere myiri na akara dị iche iche. Mmadụ nwere ike jijee ihe na-ekwughị pịm. Nke a ka ama di ka ejije ogbi, mana ụdịdị njije a bụ nke chọrọ ka agwa na ndị nkiri nwee ezi nkà n'ighọta ọdịmara asụsụ ha nke ọma iji mee ka ozi e ji bịa pụta ihe ma nwee nghọta zuru oke. N'ịkọwa njịkọrọ dị n'asụsụ na akara, Terry Eagleton (1996) n'ime Ilechukwu (2017, ih.262) mere ka a amata na asụsụ bụ usoro akara nke a na-amụ na mgbe na mgbe. Ya bụ, ụzọ a nabatara site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ maka iji mee mkparịta ụka. Mgbe a na-etinye atụtụ a n'ọrụ nye agụmagụ, a na-ewepụta echiche odee bụ nke dị n'ụdị akara ka ọ pụta ihe n'ụdị ekwumekwu e ji asụsụ kwuo. N'ihi ya, atụtụ a na-arụ ọrụ nkà n'ebe agụmagụ dị tụmadị agụmagụ ọdịnala. Nke a ka ọ na-eme site n'inye ndị nkiri ohere nhọta akara nrịbama na iweta usoro ka mma ndị odee ga-eji hazie agụmagụ ederede ha. N'ebe ọgụụ nọ, atụtụ a na-enye aka mee ka agụmagụ ederede dị mfe ntụcha. Nghọta atụtụ a ga-enye aka ịchịkọta usoro obibi ndụ ndị site n'akara na njimara ha. Usoro atụtụ a ji atụcha njantụle bụ ime ka o doo anya ma a na-enwe njikọrọ n'etiti okwu na ihe ọ nọchitere anya ya, n'ihi ya, mgbe nkwenye na akụkọ yiri omenanrọ, a ga-ahụtakwa ya ka ihe bịara n'uche mgbe e ji nkà ezipụta echiche. Ka o sila dị, Ilechukwu (2017, ih.263) rụritara ụka na atụtụ a agbakwụnyeghị ọchịchị na nkọwa ya kama na ọ gbadoro ụkwụ naanị n'ederede. Na ọ hịara ahụ iji naanị akara were nọchite anya asụsụ/okwu n'ihi na mpụtara okwu n'oge a nwere ike ọ gaghị abụ ya n'oge ọzọ. Mana, o chefuru na ihe a na-ekwu okwu ya bụ agụmagụ n'ụdị enyo, n'ihi ya ọ bụ ihe ọ bụla e chere n'ihu enyo ka ọ na-ezipụta. N'ihi nke a, atụtụ a dị ezigbo mkpa n'ịtụcha njantụle ọdịnala tụmadị ebe o metụtara ejije. Ọ bụ atụtụ a zipụtara akara/ọdịmara ndị ahụ mejupụtara ejije ọdịnala Igbo. Atụtụ a so n'otu atụtụ ndị a ga eji tụchaa njantụle nchọcha a.

**Atụtụ nkà**

Atụtu a na-eleba anya n'usoro dị iche iche e si eji asụsụ arụ ọrụ site n'itinye nkà mmadụ nwere n'asụsụ n'ọrụ. Dị ka e kwurula, ihe niile nwere nkà mana, mgbe a bịara mụwa nkà ka ihe ọmụmụ, ọ bụrụ aka nkà. Ebe a, ọ ga-abụ ịtụcha nkà asụsụ n'okirikiri amụmamụ asụsụ agụmagụ. Nkà sitere n'asụsu Latin a kpọrọ '*stilus'* nke mpụtara ya n'Igbo gụnyere usoro e ji ekwu okwu, eche echiche ma ọ bụ aghọta ihe. Atụtụ a bidoro na senchụrị nke ise tupu ọmụmụ kraịst, ebe amụmamụ ya bụ nke a hụtabara n'agbata senchụrị nke 14 ruo 16.

**Nchọcha e merela n'isiokwu**

Ọtụtụ ndị emeela nchọcha dị ka o si metụta ejije, nkà na aka nkà. Iji maa atụ, Ogu-Raghel (2009) mere nchọcha ya n'ebe o metụtara ntọàjà n'ime Naịjirịa. O ji atụmatụ nke Hubert Ogunde n'ebe mbawanye emereme ejije dị ma were ya tụnyere ebumnuche nchọcha nke bụ iwepụta ọrụ ámụ́má n'ejije. Iji gosipụta nkwenye atụmatụ, nwa amadi a ji ejije nke ọ kpọrọ "Aiye" bụ nke pụtara n'afọ 1979 nakwa "Jaiyesimi" nke afọ 1980 were zipụta, n'ezie, na nkà àjà nwere ikike dị egwu na mpụtara ihe n'ejije. Na nchọpụta ya, ọ kọwara na ejije na àjà bụ ụmụ nne yi otu ụdị akwa. O kwuru na etu ndị ngosipụta ejije mba Afrịka tụmadị ndị Naịjirịa si emepụta ejije ha ka a ga-asị na ọ bụ naanị ihe ọjọọ ka e ji mara ejije ha. O kwuru na nke a na-akacha apụta ihe ebe o metụtara ntọàjà. Ọ gara n'ihu kpọọ oku ka a na-ahụta ntọàjà na-adị n'ejije ka usoro

ngosipụta nkwenye n'omenala, ma bụrụ nke nwere uru ọ bara karịa ịdị na-egosipụta ya ka ihe ọjọọ. Nchọcha a na nke ugbu a yiri n'ihi na ha abụọ metụtara ejije ndị mba Afịrịka kpọmkwem, mana nke ya na-atụlekọrịta ajọ usoro nzipụta ntọaja n'ịgba ama ejije, ebe nke ugbu a na-eleba anya na nkà ejije ọdịnala.

Binebai na Odi (2009) mekwara nchọcha n'ebe o metụtara Ejije na Ebumamụma. Dị ka J.P. Clark si hụta ya, ha kwuru na e jirila ejije ọdịnala na nke ọgbara ọhụrụ were gbochie nsogbu na gburugburu ọ bụla ha batara. Ha kọwara na nkà ejije ndị njije/odee nwere ezuola iji gbaziharịa usoro echiche na obibi ndụ ndị mmadụ ma ọ bụrụ na, e tinye nkà ndị a n'ọrụ. Ha ji atụmatụ ámụ́má Clark n'akwụkwọ ya ọ kpọrọ *The wives'revolt* were tụnyere ámụ́má. Nchọcha ha gosịrị na ihe niile ndị odee a dere n'agụmagụ abụọ ndị a na-emejupụtazi n'ala Naijirịa nakwa nke US. Ha kwuru na a bịa n'ebe o metụtara obodo ndị bidebere mmiri, na amụma ndị a apụtawala ihe. N'ikpe azụ, ha chọpụtara na ọtụtụ ndị omee/odee na-esite n'ejije buo amụma ọnọdụ akụ na ụba nakwa usoro ọchịchị ọdịnihu mba ma ọ bụ obodo. Nchọcha mmadụ abụọ ndị a na nke ugbu a yiri n'ihi na, ha abụọ na-akọwa gbasara ejije. Mgbe ọ bụla e kwuru okwu ejije, nkà na-esochi ya, ma nka mmegharị ahụ ma nkà ekwumekwu. Mana, ha abụọ abụghị otu ihe. Ha nwere ndịmiche n'ihi na, mgbe nchọcha ha na-ezipụta etu ejije si bụrụ nkọwapụta ihe ga-eme n'ọdịnihu ndị mmadụ, nke a na-atụlekọrịta nkà na mmejupụtara ejije ọdịnala nhọpụta ezi onye ndu.

**Nchịkọta Ntụlegharị Agụmagụ**

N'isi okwu a, a gbalịrị ịkọwa ọkpụrụkpụ okwu ụfọdụ mejupụtara nchọcha a, ha gụnyere; ejije Igbo, aka nkà, ejije ọdịnala na nke ọgbara ọhụrụ dị ka ha si metụta agụmagụ Igbo. A tụchakwara ọtụtụ atụtụ, bụ ndị gụnyere; atụtụ ndokọ, atụtụ amụmamụ akara, tinyere atụtụ nkà. E tinyekwara nchọpụta ndị ọchọcha ndị ọzọ merela n'ọrụ. Ọtụtụ n'ime ndị ọchọcha a mere nchọcha ha ebe o metụtara ọrụ ejije na-arụ na ndụ mmadụ, tinyere, ihe e nwere ike iji ejije mee na gburugburu.

**Usoro Nsere**

Usoro nsere nchọcha a gbasoro bụ ịhọrọ na ịtụle nkà site n'ụdị ejije ole na ole na ngalaba ejije ọdịnala e nwere n'ala Igbo. Iji mee ka nke a pụta ihe, a họọrọ ejije mmanwụ, ejije mgba nakwa kentọàjà. Ihe e ji si etu a họrọ ngwa bụ iji site na nkà were zipụta ihe niile gbasara omenala na nkwenye ndị Igbo site n'ejije ọdịnala. Ndị a gbara ajụjụ ọnụ sitere na steeti: Abịa, Anambra, Imo, Enugu na Ebonyi. Ndị ahụ a gbara ajụjụ bụ naanị ndị okenye. Ụfọdụ n'ime ha gụrụ akwụkwọ mana, ụfọdụ agụghị. Ebe usoro nnweta njantụle bụ site n'ụzọ ndị a gụnyere; ịhọrọ ejije ndị ahụ ga-egosipụta nka a chọrọ, ije n'ama ebe e mere ejije ndị a, ije n'ọba akwụkwọ, inyochaa ntaneetị, gaa gee nkuzi na ọgbakọ ọmụmụ na nkụzi tinyere na nchọcha a tụlekọrịtara ọtụtụ echiche ndị ọkachamara. A tụlere nchọcha, na mbipụta ndị e merela banyere ejije ọdịnala. A gara n'ọgbọ ebe a na-eme ejije ọdịnala ndị a iji wepụta nka na-eso ha. N'ikpe azụ, a gbara onye eze, ndị nze na ndị ọzọ tinyere ndị ichie ajụjụ ọnụ. Usoro ntụcha njantụle bụ site n'iji atụtụ nkà were tụchaa njantụle. Nke a, ka a emere site na ịchịkọta nkà mmepụta mejupụtara ejije ọdịnala a atụlere site na nhụrụ anya na nrịbaama ha. A tụchasịrị nkà ndị a site na **nkwado**, **mmepụta** na **njedebe** emereme. Etu omee siri were nkà rụọ ọrụ ga-eme ka o nye ndị nkiri ohere isonye n'ihe a na-eme.

**Nkwado mmepụta**

Na mmepụta ọdịnala, a na-ahụ mmepụta site n'etu omee si ezipụta mma nkà ya na mmepụta ọ na-eme. Nke a, ka a na-ahụta site n'etu o siri wee jiri ihe ndị gbara ya okirikiri n'oge ọ na-eme mmepụta were rụọ ọrụ. Ndị nkiri na-ahụ ya anya, ọ na-ahụkwa ha, ha na-ghọta asụsụ o ji eme mmepụta ya. Etu o si emegharị akụkụ ahụ ya ọ bụla nwere akara nnọchi nye ndị nkiri. N'ihi ya, ọ bụ usoro ezi mkparịta ụka ka ọ bụ n'etiti ha. Mgbe ụfọdụ, ọ na-enye ha ohere ịtụnye ntụnye nke ha. Ọ bụ ihe ndị a niile mere ka mmepụta ejije ọdịnala dị iche n'ebe ejije ọgbara ọhụrụ dị. Nke a bụ n'ihi a na-ahụ ya n'uju, ọ na-ewere ọnọdụ n'ebe ndị nkiri nọ. Nke a bụ kwa n'ihi mmepụta bụ ọbara ndụ nye nkà ejije ọdịnala Igbo niile n'ihi ndetu mbem mmanwụ n'akwụkwọ dịwaga iche na mmepụta ebe mmanwụ na-ama mbem n'ezie. A chọpụtara nnukwu ihe dị iche n'etu e si edetu mmepụta n'akwukwọ nakwa etu ọ na-adị n'ihu. Na nke e mepụtara n'ama, a na-ahụ ya mgbe a na-eri ihe dịka ji ọhụrụ, abamaba dị iche iche, mgbe a na-eme ncheta, eme emume arụsị dị iche iche, mgbe a na-ehunyere chi dịgasị iche iche, tinyere n'alụmalụ na ọmụmụ nwa. Iji wepụta nkà, ọchọcha a chịkọtara ngụpụta Olaniyan wepụtara n'ime Agbo (2017:45), were kejie ha ụzọ atọ maka iji tụchaa nkà ejije Igbo.

**Nkà ejije mmanwụ**

Nkà mmanwụ bụ nke a na-ahụta n'etu ya bụ mmanwụ si eji nkà were wepụta akara site n'emereme, mbem, ekwumekwu, ejemije na ngwa ọrụ ya ndị ọzọ ga. Ọ bụ ọnụ na mmegharị ahụ ka mmanwụ ji ezipụta mbunuuche na nhụrụnanya nkwenye ndị ọ nọchitere anya ha, ya bụ ndị nwụrụ anwụ. Ebe a, a ga-atapịa mmepụta mmanwụ site n'isi okwu atọ gụnyere: **nkwado**, **mmepụta** na **njedebe**/**ụla mmanwụ**.

**Nkwado**

1. Igwe P.N. Anugwuna na nkọwa ya kwuru na a na-akwado akwado tupu e tipụta mmanwụ. Ọ gwara ndi ọchọcha etu e si akwado ntipụta mmanwụ mana, o bu ụzọ dọọ ha aka na ntị, na ụmụnwaanyị anaghị akpa maka mmọnwụ.

> "Awụ m eze ọdịnana, anyị na ụmụnwaanyị adị akpa maka
> mmanwụ. Mana, aga m agwa unu na mmanwụ bụ ife
> miri emi. Ọ ọ n'ọnụ ahụhụ ka anyị na-eje, anyị ruo,
> anyị chụọ aja. Kaa nzu, werụ ihe dị ka ọmụ kụọ n'ana
> yọba mmawụ ka ọ pụta. Etu o si bụrụ ife miri emi bụ
> na, o nwere ife a na-eme, omenana a na-eme maka
> mmanwụ ịpụta".

Nkwupụta ndị a dị n'elu, zipụtara na mmanwụ bụ ihe nkwadobe ya miri emi nke àjà a na-achụ iji tipụta ya dị iche iche site n'ụdị mmanwụ ruo n'ibe ya. Ajà a na-achụ na ntipụta mmanwụ ehihie dị iche na nke mmanwụ abalị.

**Ngwa:** Ngwa so n'otu ihe ndị a chọrọ iji mee ka ntipụta mmanwụ zuo oke. Ihe mejupụtara ngwa mmanwụ gụnyere: nzu, ọmụ, mmanya ọkụ, nkwupụta anwansị dị iche iche, ihu mmanwụ, akwa mmanwụ, ójì, udu, ụbọ, mma, ụtarị, mkpọ, igede, ekwe, asha, ogwe anị, mbadamba na ọtụtụ ngwa ndị ọzọ.

Igwe Anugwu gakwara n'ihu kọwaa na ọ bụ site n'ekike na ngwa mmanwụ ji ka e si amata ụdị mmanwụ ọ bụla. Iji maa atụ, Odo na-eji igu na atanị ekpuchi ahụ mana ọ naghị ekpuchi ụkwụ ya, Oriọkpa na Ikeụdọ na-eyi akwa a kwara akwa, na-apịa ụtarị ma na-amakwa mbem. O kwuru na ngwa ndị a bụ ndị a na-achịkọta tupu a rịọbazie mmanwụ ka ọ pụta. Site n'usoro nkọwa nkwado mmanwụ site n'aka Eze ọdịnala a, o gosiri na a na-enwe àjà tupu mmanwụ apụta. Iji nwee àjà, o gosịrị na a na-enwe mmegharị ihe e meburula, nwee mkparịta ụka n'etiti ndị ahụrụ anya na ndị a hụghị anya, nwee ngwa a ga-enye ya ma ọ pụta. N'ihi ya, o nwere mmejupụtara ejije. Gboyega (2001) kọwara na ekwumekwu abụghị naanị nke e kwuru n'ọnụ, kama na ọ bụ mmegharị ahụ niile, ma etu omee si mee ihu, ọnụ, anya na ihe ndị ọzọ iji kpalie mmụọ ma ọ bụ mee mmadụ obi aṅụrị bụ **nkà** mejupụtara ihe a na-ekwu maka ya. Mgbe a na-eme nke a, ọha obodo na-anọ n'ịtụnanya na-eche ka ya bụ mmanwụ pụta. Mgbe ọ pụtara ụzụ na-atụ nke ukwuu iji gosi na ochiche ha alaghị n'iyi. Ọ kọwakwuru na ọ bụ n'ihi ochiche a ka ndị Igbo ji asi mmadụ:

> Ị gburu oge nke ukwuu, ị na-etipụta mmanwụ?
> Mmanwụ ahụ a na-eche kemgbe apụtala n'ọgbọ
> (maka ebe a na-agba nkwụ nwaanyị)

**Mmepụta/ntipụta**

Mmepụta ma ọ bụ ntipụta bụ mgbe ahụ mmanwụ si n'ọnụ ahụhụ pụta. Igwe gakwara n'ihu kwuo sị;

> "ọ bụ mgbe ahụ ka ha na mmadụ na enwe mmekọrịta n'ihi
> na mmanwụ nọ n'agbata ndị dị ndụ na ndi nwụrụ anwụ.
> E bido jụwa ha maka ndị niile nwụrụ anwụ".

Ozigbo ha mechara nke a, ha apụwa n'ọgbọ ebe ha na-enwe ezigbo mmekọrịta ndị mmadụ tụmadị ụmụ nwoke. Mmanwụ ọ bụla na-ebido kpawa agwa dị ka ọrụ ya siri dị. Ma, n'ebe o metụtara nchọcha, mbem otu n'ime mmanwụ aha ya bụ ajịkwụ mara ka a tụchara dị ka njantụle nchọcha. Achọpụtara na mmanwụ na-ebu uzo kelee ekele tupu o bido,

> Ekene kene kata onye ọ ma
> Ike ekene agwụ, ị nụgo?

N'ama, a chọpụtara na mmanwụ anaghị ekele ekele ka mmadụ nkịtị. Mgbe ụfọdụ, ọ na-eji aka efere ndị ọ chọrọ ikele, ọ na-ejikwa nkà okwu ọtụtụ oge. Ndepụta a dị n'elu bụ etu mmanwụ ọchọcha chịkọtara mbem

ya siri kelee ekele. Ka o mechara nke a, ọ malitere kpawa ha ọchị ma na-emekwa ha obi aṅụrị site na mmepụta na ngụpụta ya. Site na nkà asụsụ ya, o jijere ụmụ nwaanyị ndị na-etecha oke ntecha. Ọ gakwara n'ihu dọọ ụmụ nwoke chọrọ ịlụ nwaanyị aka na ntị.

Igbo! asị m gị chọọ ịnụ nwaanyị
Gị wakpuo ya n'ụzọ ka ị marụ ihe wụ kọlọịa.
(gị gbaa ụzọ be ya ka ị mara ụcha ya)

Mbem a na-akọwa na ọ bụ naanị n'ụzọ ụtụtụ ka a ga-eji mata ụcha nwaanyị ma matakwa mma ya. Site na nkọwa njantụle a, ụmụ nwaanyị anaghị ebu ihe ha tere alaba ụra n'ihi ya ọ bụrụ na nwoke hụ onye ọ chọrọ ịlụ, ya maa uzo ụtụtụ jee bee ya, tupu onye ahụ etekọchaa ihe ndị ahụ ka ọ mata ụcha ya. O jikwa nkà asụsụ mbụrụ were kọwaa etu ụmụ nwaanyị na-adị oge ha techara eterete ha. Ebe a, ọrụ nkà asụsụ na atụtụ akara pụtara ihe site n'etu mmanwụ a siri were ihe nọchie anya ihe ọzọ. A hụtara nke a na: (mgba. 6, un.8-9). 'Ewuu! Na afuru m na ụmụ nwaanyị bụzị ogwumagana,' Ọ kwa ife mere eme? Ha e nweghi otu ụcha bụ nkà ọzọ pụtakwara ihe na mmepụta a.

Ọzọ bụ ntụnye ndị nkiri. Ka mbem a na-aga n'ihu, ndị mmadụ na-aza ya ajụjụ ma na-achịkwa ọchị. Ọ bụ ọchị ndị ahụ a na-achị na-agwa mmanwụ na ndị nkiri nwere mmasị n'ihe ọ na-ekwu. Nke a na-enye mmanwụ ike ikwuru okwu na-aga. Ntụnye ndị nkiri na-etinye na-ezipụta na mmanwụ bụ ejije n'ezie n'ihi na a na-enwe mkparịta ụka. A hụtara nke a ebe ndị nkiri chịrị ọchị ma zakwaa mmanwụ otu ajụjụ ma ọ bụ ọzọ.

**Mmechi (Mwepụta nkà mmanwụ site na ndagba na ndacha)**

A hụtara nkà asụsụ atụmatụ echiche nke ndagba na ndacha n'ime mbem a mmanwụ mara. Nke a bụ otu n'ime ụzọ e si ewepụta nkà site n'agụmagụ ọdịnala na nke ọgbara ọhụrụ. Site n'ụzọ dị etu a, mmanwụ a zipụtara nkà o nwere nye omenala na nkwenye ndịigbo. Iji maa atụ, a hụtara ndagba mkpụrụ ụda asụsụ nke mkpụrụ ụda /e/ ma nwekwaa nke mkpụrụ ụda bịam bịam mgbochi ume /k/na (mgba.3, un. 1-2). N'ebe o metụtara ndagba mkpụrụ okwu, a hụtara ndagba kekwunkwukwa <u>nkwanye</u>, <u>nkwanye</u> ka ọ pụtara ugboro, ugboro na (mgba.6, un. 16-18). Nke a bụ iji zipụta etu ihe ụmụ nwaanyị na-akwanye n'ahụ ha si buo ibu. A bịa na ndacha, a hụtara ndacha nke mkpụrụ asụsụ n'okwu ndị a: eke<u>ne</u> /n/ maka /l/ n'ime ekene (mgba.3, un.1-4). A hụtara wụ /w/ maka bụ /b/, nwee: /a/ maka /ị/- nwaany**a** maka nwaay**ị** na ọtụtụ ndị ọzọ ga.
E nwekwara ndacha mkpụrụ okwu <u>atifishaalụ</u>. Ihe ndị a na ndị ọzọ bụzị ha pụtara ihe na mbem mmanwụ a site n'etu atụtụ nkà si atụcha agụmagụ.

**Nkà ejije àjà**

Nkà ejije ọdịnala bụ nke na-apụta ihe ọtụtụ mgbe n'ime ejije ndị ọzọ. Ọ bụ njije nkwenye etu mmụọ na mmadụ si enwe mmekọrịta iji rịọta ụmụ chi, ndị nna nna na ihe ndị ọzọ a naghị ahụ anya ihe.

**Mbido àjà:**

Tupu e nwee àjà, a na-ebu ụzọ enwe nkwekọrịta mmadụ na ibe ya, mmadụ na mmụọ ma ọ bụ mmadụ/mmụọ na ihe ndị ọzọ a naghị ahụ anya. Ndị ọ bụla nwere usoro ha na-agbaso iji hunye àjà. Di ka Igwe Anugwu kọwara na ha na-achụ àjà tupu ha etipụta mmanwụ. O kwuru na etu ha si etipụta mmanwụ nke ha bụ site n'ịga n'ọnụ ahụhụ were ọjị chụọ àjà. Ọ sị, "Amara m mmanwụ, anyị achụọ àjà". Nkà àjà na-apụtakwa ihe site n'etu ọchụụ si etinye ngwa àjà n'ọrụ. Maazị Azụbụike kọwara na; ngwa ndị a buru ibu site na ụdị àjà a na-achụ. Ọ sịrị na ihe a na-ahụkarị ọtụtụ ebe a na-achụ àjà bụ ọjị, akwa, ọkụkọ, ugbene, ugegbe, mgbirimgba, ọmụ, nzu, ịchaka dgz. Ihe ndị a niile na-enwe ihe ha zipụtara (ọjị bụ ekele, nzu bụ aka ịdị ọcha, ọkụkọ bụ inye erimeri, ugegbe bụ maka ndị nọ n'otu, nwa atụrụ atụ pụtara mkpụrụ nke afọ ebe ọmụ/igu pụtara ihe dị nsọ ma ọ bụ ebe dị aṅaa nke a chọghị mmadụ n'ime ya, mgbịrịmgba bụ iji kpọkuo ụmụ chi oku.) site na nkwenye ndị na-achụ àjà.
Akwa ndị eji achụ àjà n'ala Igbo nwere ike bụrụ; akwa ọcha, mmee mmee na akwa ojii. Akwa ọcha bụ nke Azụbụike kọwara na ọ na-ezipụta àjà obi ọma na aṅụrị. Ọzọkwa, Beattie na Middleton n'ime Horn (1981, ih.192) kwuru na ọ bụghi naanị na àjà nwere ekike kama, na ụdị akwa ha na ụcha akwa ha ma ọ bụ ihe ekike ha ọ bụla na-abụ ọpụrụiche. A chọpụtakwara site n'aka Azụbụike na ọtụtụ ndị àjà na-asọ ọtụtụ ihe dị ka nwaanyị nọ na nsọ, igbu ewu ma ọ bụ atụrụ dị ime, ịbọ ji onye ọzọ kọrọ na ụmụ nwaanyị imetụ ọtụtụ ihe aka. O kọwakwara na nwaanyị anaghị aba n'ime obi ebe ahụ Igwe na ndị Ichie ya nọ belụ sọ ma ọ bụ nwaanyị

chiri echichi.

**Mmepụta àjà**

Oge ọchụ aja na ụmu chi nwechara nkwekọrịta àjà, e bido chụpụtawa àjà. Azụbụike kwuru na ọ bụ site n'ụdị àjà ka a ga-esi mata etu asụsụ ya ga-adị. Nke ọ bụla nwere asụsụ nke ya. Asụsụ ndị ahụ gụnyere;

> Onye bịara be onye abịgbula ya, ka ọ ga bụ ọ lawa ka mkpu mkpu ghara ịkwa ya.
> A naghị ekunyere nkịta abụọ mmiri n'otu eju.
>
> Nkiri nkiri ka a na-ekiri ododo, E jighị ya eli ozu. Eee! Ọọ ka o mere,
> ọgazị amaka mma mana, a dị agọrọ ya arụsị. Onye zakọọ ya kpowe,
> o kpopụghị, ya gbaa nje.

Site n'asụsụ àjà ndị a Azụbụike gụpụtara n'elu, ọ kọwara na ụdị àjà a na-achụ ebe a bụ àjà nnwereonwe. Ya bụ, àjà e ji atọhapụ mmadụ n'agbụ. N'ihi ya, ụdị mmegharị ahụ ga-esochi mkparịta ndị a ga-abụ nnukwu ihe nkiri nye ndị mmadụ. Iji kwadoo nke, Beattie na Middleton (1981) gakwara n'ihu wepụta njiri mara àjà isii ndị gụnyere: usoro ịga ije, ụdị mmegharị ahụ, etu ha si agba egwu, ụdị egwu ha na-agụ, ekike, omee (ndị a hụrụ anya na ndị a hụghị anya) tinyere ndị nkiri (ndị a hụrụ anya na ndị a hụghị anya) ka ha bụrụ ụdị àjà. Nkà ndị a niile bụ ha na-ewepụta àjà ma mee ya ejije n'ihi na ha dabara na mmebere ejije. Ọ bụ ihe nkiri mejupụtara mmepụta àjà ndị a mere ya ejije.

**Njedebe àjà**

Mgbe mmadụ chụchara àjà, ọ na-enye onye ahụ afọ ojuju. Nke a ga-emezi ka onye chụrụ àjà lewe anya ihe ndị ahụ ọ rịọrịọ n'aka ndị mmụọ. Iji kwado nke a, Igwe Anukwu kọwara na ha na-arịọ mmanwụ ka ọ pụta, mgbe ahụ mmanwụ pụtara, o gosị na ndị mmụọ nabatara àjà a chụrụ. O kwuru na mgbe mmanwụ pụtara, ha arịọwakwa ya ka o nyere ha aka lụọrọ ha ọgụ ndị a hụghị anya ma hapụrụ ha ndị a hụrụ anya, ọ sị.

> "ụdị ndị dị ka mụ nwa, ọ na-abụ m pụta, m were ọjị waa,
> sị mmanwụ biko gbooro anyị ọgụ ndị nwụrụ anwụ ka
> anyị nụa nke ndị dị ndụ".

Eze ọdịnala a gara n'ihu kọwaa na ihe kpatara e ji eme nke a bụ n'ihi na mgbe dike na-achụ àjà, a na-enwe mmegharị ahụ, ekwumekwu na ekike. Ọ bụ emereme ndị a mere àjà jiri dị omimi mana, ọ bụ mmepụta, nkwupụta, mkparịta omee na ndị nkiri mere ya ejije.

**Nkà ejije mgba**

Mgbe odogwu n'ibe ya na-agba mgba ma ọ bụ alụ ọgụ n'ihu agha, ọ bụghị ejije ka ọ bụ. A ga-asị na mgba abụrụla ejije oge ahụ a gbara ya n'ama obodo oge obodo na-eme mmemme dị iche iche iji kpaa ndị mmadụ obi ụtọ. Nkà mgba a na-atụcha n'isi okwu ebe a bụ mgba dị ka o si metụta ejije mgba n'ime mmepụta ọdịnala. Igwe Anugwu na Nwokeoye (mgba.1,2 na 5) n'ime afọ (2018) kọwaara ọchọcha na ejije mgba na-enwe nkeji atọ ndị a:

**Nkwado mgba**

Na mbido mgba, ajụjụ ọnụ a gbara gosịrị na a naghị anọgide gbawa mgba. Igwe Anugwu kọwara na mgbe a na-agba mgba n'ụdị ejije, obodo ọ bụla nwere ụbọchị ha ji agba nke ha iji mee ndị mmadụ obi ụtọ. Ụbọchị ndị a nwere ike bụrụ ụbọchị Afọ, Nkwọ, Eke ma ọ bụ Orie. Ọ sị na,

> Eee e nwee ndị obodo na-agba mgba ụbọsị Eke, ụbọsị Oye
> ụbọsị Afọ ma ọ bụ ụbọsị Nkwọ dị ka o si dabata n'emume
> ndị obodo afụ. Aaa emume ndị obodo afụ etu a o si dabata
> na-egosi ụbọsị ha ji enwe aṅụrị… O nwerụ ike bụrụ ụbọsị
> fa ji efe ife dị otu a, o gosịrị na ndị obodo afụ nwee
> omenana.

Mgbe ndị obodo kwekọrịtara ụbọchị a ga-agba mgba n'ama obodo, a na-enwe nkwado pụrụ iche. Ọ bụ ụmụ ntorobịa siri ike na-apụta ezipụta mmasị iso gbaa mgba ụbọchị emume ahụ. Ụmụ okorobịa ndị a zipụtara mmasị na-ebido kwadobe n'ụdị pụrụ iche maka ụbọchị a kara aka. Azụbụike (2018) kọwara na nkwado ndị

ahụ gụnyere: ịchọta dibịa aka kara aka na-achụ àjà. Aja bụ nke ga-eme ka ha merie ndị ha ga-agbaso mgba. Nwokonye (2018) na (mgba.5) kọwara na nkwado ọzọ a na-enwe tupu a gbawa mgba bụ inweta onye ọja/ndị egwu. Onye ọka mgba ọ bụla na-enwe onye ga na-aja ya ike mgbe ọ na-agba mgba. N'*Ọjaadịlị*, (dị ka ụmụ akwụkwọ si zipụta ya ụbọchị e mere mmemme ụbọchị Igbo n'ụlọ akwụkwọ FUNAI n'afọ (2017), ọ bụ onye ọja ya bụ Udumeje sitere n'ọja nye Ọjaadịlị ike dị egwu o jiri merie Otiaba na mgba.

Nkwado nke atọ bụ ekike. Nkà mgba bụkwa nke a na-ahụta n'ụdị ekike ọka mgba o kere. Maazị Azụbụike (2018) na (mgb.3 na 4) kọwara na, mgbe ochie, ọ bụ ọgọdọ ọwaliwa ka ha na-awa. Mana, ka ọ dị taa, ha na-eyizi nịka ma ọ bụ mbe-na-ukwu. Nke a bụ iji nyere ha aka mesapụ ahụ oge ha nọ n'ọgbọ. Ngwa ọzọ dị ezigbo mkpa bụ itu aha. Ọ hịara ahụ dimgba imeri na mgba ma ọ bụrụ na o nweghị ndị na-etu ya aha ma ọ bụ na-aja ya ike. Azụbụike na (mgba.3, un.21-22) kọwara na a na-etu ha aha dị ka:

Nnụnụ isi kara aka na-eje ọgụ ọtụkpọrọrọ;
Azụ eru ala.
Aha ndị ọzọ a na-etukwa ha bụ anukporonku na-eju ọnụ,
Gaganogwu

Nwokonye (2018) kwenyere na nke a mgbe ọ gara n'ihu kọwaa na ihe ịja ike ji dị nnukwu mkpa na mgba bụ na ọ bụ na ya ka ọka mgba si amata ihe na-eme n'ọgbọ. E si etu ahụ ezirita ha ozi site n'aka onye ọja ha. Ha chọọ ịda mba, onye ọja echetara ha na egbe anaghị ebu ọbagwụ nke e ji agọrọ Arụsị ọgazị. Ndị nkiri sokwa na ndị dị oke mkpa na mgba. Ha na-atụnye oke ha site n'ịchị ọchị, ịkụ aka ma ọ bụ iti mkpu site ka ọnọdụ onye nke ha. N'ihi ya, ntụnye ha so eme ka nkà mgba pụta ihe nke ọma. Nke a mere ha sonye na ngwa a chọrọ maka mmepụta mgba. Ebe a, atụtụ nrịbaama pụtara ihe n'ihi na ngwa mgba ndị a bụ nke di mgba na-ahụta ma na-aghọtakwa oge ọ na-agba mgba site n'akara ọdịmara ya na onye ọja ya marala.

**Mmepụta/mgbapụta mgba**

A bịa na mgba, ajụjụ ọnụ a gbara Nwaokoye (2018) kọwara na ihe mbụ mmadụ abụo chọrọ ịgba mgba n'ala Igbo na-eme bụ iche aka mgba. Iche aka mgba pụtara na di mgba mbụ pụtara ịgba mgba ga-achịrị aja n'aka ya, na-agbagha okirikiri n'ama mgba na achọ onye ga-etichapụ ya aja ahụ n' aka. Nkọwa Nwaokoye gosịrị na iche aka mgba so n'otu àjà a na-achụ tupu mgba ebido. O mere ka amata na ọ bụrụ na e meghị ya, na a gaghị agba mgba. "Ma e meghị ya, a gaghị agba mgba." Tupu ndị di mgba apụta, a na-enwe ụmụ nwoke na-etolite etolite, ndị ezuchabeghị ihe e ji nwoke eme ga-abịa n'ọgbọ gbatụ mgba. Ihe dị ka ukwu mmadụ atọ ma ọ bụ anọ na-ebu ụzọ tichapụ aja, gbaa mgba tupu ndị a na-eche apụta n'ọgbọ. Azụbụike hụtara ntipụ aja ka "ịrịọ mgba." Ọ sị na a na-enwe ịrịọ mgba, ịgwọ/ilekwa ọgwụ, ịtụ ọkalị, igbu aka ọrụ, isu ọmụmụ ịgba-nu-ugo-uko na ọja/egwu mgba. Ọ kọwara ụfọdụ mkpụrụ okwu ndị a di ka: ịrịọ mgba; di mgba ịchịrị aja na-achọ onye ga-agbaso ya mgba, Ilekwa ọgwụ; nke a gụnyere awa nsị niile di mgba na-eme tupu o bido ma ọ bụ ka ọ ga-agba mgba. Nke a nwere ike bụrụ mkpu ha na-eti, nzọjigharị ha, etu ha si eme ahụ ma ọ bụ anya bụcha nkà. Etu ha si eme obi ha, ekele ndị nke ha na etu ha si egbuchara ndị nnukwu di mgba ndị ọzọ nọ n'ọgbọ. Iwepụta nkà mgba; nke a na-apụta ihe n'etu ọka mgba si etinye ihe niile ọ mụtara mgbe ọ na-amụ mgba n'ọrụ. O nwere ike bụrụ ụzọ kacha mfe e ji atụ mmadụ n'ala. Ka ọ na-eme nke a, onye ọja/ndị egwu ga na-etu ya aha, ndị ọzọ ga-amụtakwa karịa ka ha mabu ebe ndị nkiri ga-akụrụ ya aka iji gosi obi ụtọ ha na nkà pụrụ iche o nwere.

**Njedebe mgba**

Tupu ejije mgba abịa n'isi njedebe, a na-enwe onye mmeri. Nke a ka a na-ahụta site n'etu di mgba siri buru ibe ya tụọ n'ala. Nke a na-eme ụzụ a na-atụ n'elu na-atụ n'ala. Igwe mere ka a mata na ọ dịghị mfe dimkpa iburu dimkpa ibe ya tụọ n'ala.

A parụ dimkpa tụọ nya n'ana, nyee ya ọkpa-
E buru dimkpa tụọ n'ana ma were ọkpa jide ya.
Nke e gosii na ị karị kịa (nke a gosịrị na ị karị ka ya).
Mana ife ndị a bụ ife egwuregwu-

Nkọwa ndị a dị n'elu bụ iji gosi etu mgba si abịa na njedebe, e nwee onye mmeri. Mgba bụ ejije n'ihi nkà njije mejupụtara ya. E nwere ike, n'ime mmadụ abụọ gbara mgba onye mmeri akaghị onye o meriri sie ike mana, ọ ka nwee nkà karịa nke ogbo ya. N'ihi nkà ahụ onye meriri nwere, a ga-asị na ọ bụ ya kacha nwee

ike n'ihi na atụtụ amụmamụ nrịbaama/akara kwuru na ọ bụ etu ọdịmara si nọchịte anya ihe na ndụ ndị nwe ya na-ekwupụta nkwenye ha. Na njedebe mgba, ịtụ dike n'ala bụ ya bụ ọdịmara nke nọchitere anya ike di mkpa nwere. N'ihi ya, di mkpa ọ bụla tụrụ ibe ya n'ala ezipụta nkarị site n'iji akara nọchie anya ihe. A sị ka ndị di mkpa ndị a na-agba mgba were ọnụ kọwaba onwe ha, a ga-ahụ na o nweghị onye ga-ekwe na ibe ya ka ya. N'ihi ndọrọ ndọrọ ndị a ka o ji di mkpa na e ji ọdịmara were rụọ ọrụ pụrụ iche iji hụ na e nwere nkwekọrịta. Nwaokoye kọwara na ọtụtụ mgbe, a naghị enwe onye mmeri tụmadị ọ bụrụ odogwu na ibe ya zutere na mgba.

## Nchọpụta

Nchọcha mejupụtara mbunuuche nchọcha a kpọmkwem nke bụ ịwepụta nkà mejupụtara ejije ọdịnala. Mmejupụta ndị a pụtara ihe site n'etu e si chọpụta na: mmepụta ejije ọdịnala bụ ejije n'ezie n'ihi na a hụtara n'ime ha, mmebere na ngwa ndị a, mkparịtaụka, ndị omee na ndị nkiri, nakwa ngwa ndị ahụ na-adị na mmepụta tupu a kpọọ ha ejije. Oge e ji eme ya ma ọ bụ ntọoge tinyekwara na, a na-akwado ha akwado tupu e mepụtawa ha. Iji maa atụ, na ntipụta mmanwụ, a na-enwe ngwa nke gụnyere; ihu mmanwụ, akwa mmanwụ, ekwe, udu, ụtarị. A na-enwe opi, ụtarị, mgbirịmgba ma nweekwaa oji. Nchọcha a chọpụtakwara na mmanwụ bụ ngalaba ejije ọdịnala Igbo nke na-esite na mbem were na-enye ndị mmadụ ndụmọọdụ. A chọpụtara na a na-enwe mkparịta ụka na ntipụta mmanwụ. Na mbem nke mmanwụ mara, a hụtara etu mmanwụ si enye ndị nkiri ohere iji tinye echiche ha site n'ịza ya ajụjụ. E nwere nkenaụdị mmanwụ bụ ndị gụnyere ajịkwu, ike ụdọ, ijele, ori ọkpa, ọmabe na ụlaga. Ha niile na-ejije mmadụ n'ụzọ dịgasị iche iche.

N'ebe o metụtara mgba, a chọpụtara na mgba nwere ọtụtụ nkà nke mere e ji kpọọ ya ejije. Nkà ndị ahụ bụ iji mee ndị mmadụ obi ụtọ. Mgba na-enwe ndị omee na ndị nkiri, a na-enwe mkparịta ụka n'etiti ọka mgba na ndị mmadụ site na mmeghari ahụ ọka mgba. Tinyere na ọka mgba na onye ọja ya na-enwe mkparịta ụka ọ bụnagodụ oge mgba na-aga n'ihu. A chọpụtara na mgba na-enwe ekike nke na-apụta ihe n'ụdị ịwa akwa ma ọ bụ ọgọdọ, ma chọpụtakwa na ndị ntorobịa oge ugbu a na-eyizi nịka were na-agba mgba n'ama.

N'àjà, ọ bụkwa ejije n'ihi na o nwere mmebere niile ejije na-enwe. O nwere ngwa (nzu, àkà, ọmụ, akpụkpọ anụ, nwa bebi. O nwere ekike (akwa ọcha, ịba nzu n'anya, a na-enwe mkparịta ụka (n'etiti ndị a hụrụ anya na ndị a hụghị anya).

## Nchịkọta

Na nchịkọta, e sitere n'ukwu atọ (nkwado, mmepụta na mmechi) e kere nkà ejije ndị a were tụchaa ha. Ejije ndị a nwechara mmebere ihe niile ejije na-enwe nke mere ka ha bụrụ ejije zuru oke. Ejije ọdịnala jicha nkà ezipụta mmebere ndị a. Ha nwere mbido. Nke a ka a na-ahụ n'etu e si akwado emereme ejije ọdịnala dị iche iche. Ha na-enwe isi okwu, isi okwu ejije ọdịnala na-agbakwụnyere ihe e ji maka ya eme ya (irio ụmụ chi arịrọ) Na mmepụta, ha nwere oge nke ndị obodo kwekọrịtara. A chụọ àjà, ndị nkiri na ndị omee akwadowe, e bido mepụtawa ya. Na mmechi, mgbe e mepụtachara mmepụta site n'aka ndị omee ejije ọdịnala, a na-enwe njedebe. Njedebe ejije ọdịnala anaghị abụ otu n'ihi na ọ bụghị etu mgba si ejedebe ka mmanwụ si ejedebe. Na mgba, a na-atụ anya onye mmeri mana, n'ejije mmanwụ, a naghị atụ anya onye mmeri. Na nke afa, a na-atụ anya iweta ụsa nye ihe zoro ezo mana, n'ejije àjà, a na-ele anya ihe nnweta mbunuuche e ji maka ya wee chụwa àjà ahụ.

## Aro

N'agbanyeghị mmejupụta mbunuche nchọcha a, a na-atụ aro ka ndị na-emepụta ejije ọgbara ọhụrụ na-etinye nka ndị a mejupụtara ejije ọdịnala n'ọrụ maka nkwalite asụsụ, omenala na mmepe obodo. Ejije ọdịnala kwesịrị idi n'ụdị Tiktọọkụ, Yutuubu, Fecibuuku, Ịnstagram nakwa ọwa ududo ndị ọzọ ga. Ndị ọchọcha ndị ọzọ kwesịrị ileba anya n'etu a ga-esi jiri ọtụtu ngwa ọgbara ọhụrụ were rụọ ọrụ iji hụ na omenala na asụsụ Igbo na-agawanye n'ihu. Ihe ndị ọzọ gụnyere: ịgba mbọ tinyegasịa mmepụta ọdịnala ndị a n'igwe mmepụta iji hụna ha jere ala ndị ọzọ abụghị naanị ala Igbo. N'ihi akpamoke ndị ọchọcha nwetara site n'ụfọdụ ndị ha gbara ajụjụ ọnụ n'ihi na ha bụ ụmụ nwaanyị tụmadị ebe ọ metụtara mmanwụ, ha na-atụzị arọ ka ndị nwoke ọzọ chọchamie echiche maka isi okwu a metụtara ejije ọdịnala ọ kachasị ebe o metụtara mmanwụ. Nke a ga-enyezị aka ime ka e chekwawa omenala na asụsụ Igbo ma mee ka o jetee aka.

. Ndị ụwa taa, ọ kachasi ndị ntorobịa kwerịrị ịmata na omenala abụghị ihe ọjọọ kama na ọ bụ usoro obibi ndụ ndị nwe ya. Ndị odee kwesịrị ibido tinyewe nkà ejije ọdịnala n'ọrụ iji weta udo na ịdị n'otu, ma mee ka esite ebe ahụ kwalite usoro obibi ndụ. Ebe ọ bụ na mgbe mmanwụ na-ama mbem na ọ na-ekwu ezi okwu n'ihi na ọ bụ mmụọ ọnwụ, o kwesịrị ka ndị mmanwụ dịgasị iche iche site etu ahụ ha si jiri mbem agwa ụmụ nwaanyị na ihe ha na-eme adịghị mma, sikwa etu ahụ na-agwakwa ndị ọhanaeze eziokwu nakwa ndumodu. Nke a ga-eme ka ohaneze mata ebe ha anaghị eme nke ọma, ma wetakwa mmepe obodo. A na-atukwa aro ka ndị ntorobịa nwe ike ịlaghachi n'ejije mgba sitezie ebe ahụ jiri nkà gosi ndị ntorobịa ndị ọzọ nkarị, karịa tigbuo, zugbuo, juru ala Naịjiria ọnụ.

**Nrụmaka**


Adedeji, J.A. (1981). "Alarịnjọ" The traditional Yoruba travelling theatre. N'ime, Y. Ogunbiyi. (Ọhz). *Drama and theatre: a critical source book*.(Ihu, 221-248). Great Britian: Pitman Press.

Adora, C.U. & Irek, N.E. (2018). Theatre as a tool for the actualization of the Agenda of change in governancy in Nigeria.*Ikoro journal of comtemporary African studies,*10 (1 na 2), 66-75.

Amankulor, J.N. (1981). Ekpe festival as religious ritual and dance drama. N'ime ,Y. Ogunbiyi. (Ọhz). *Drama and theatre: a critical source book*. (Ihu, 113-131). Great Britian: Pitman Press.

Agụ, P. Ụ. (2017). Thematic and stylistic analysis of birth and death songs of Mpu community in Enugu state.Ngụpụta nchọcha e mere maka nnweta nzere B.A n'agụmagụ Bekee. Ngalaba amụmamụ asụsụ na nkà. AE-FUNAI.

Agbo, U. (2017). Dramatic elements of Itutara traditional festival of Afiukwu.Ngụpụta nchọcha e mere maka nnweta nzere B.A n'agụmagụ Bekee. Ngalaba amụmamụ asụsụna nkà. AE-FUNAI.

Anụgwu, P.N. (2018). Ajụjụ ọnụ banyere mmanwụ, mgba na àjà.

Azụbụike, O. (2024). Ajụjụ ọnụ a gbara Ọkammụta Mahadum banyere àjà.

Binebai, B. & Odi, C. (2009). Drama and prophecy: The J.P. Clark paradigm. *Unizik Journal of Arts and Humanities,*10 (1.), (77-85).

Boulton, M. (1960). *The anatomy of drama*. London: Routledge and Kegan Paul

Bradforà R. *(*1997*). Stylistics: The new criticalidom.* London: Routledge and Kegan Paul.

Chinagọrọm, L.C. (2013). *Uru ezi akanka n'agụmagụ Igbo ugbu a*. Oweri: I-O Publishers.

Djisenu, J.K. (1995). The art of drama. *Legon journal of humanities*.3, 55-62.

Enekwe, O.O. (1981). *Igbo masks: The oneness of ritual and theatre.* Lagos: Department of Culture, Federal Ministry of Imformation and Culture.

Finnegan R. (1977). *OralliteratureinAfrica*. Nairobi: Oxford University Press.

Igboabụchi, B.O., Ilorah, B.C. na Azubụike, K. A. (2010). *Sociology of education for colleges and universities*. Onitsha: Lincel Publishers.

Igboanụsị, H. (2008). Igbo as an endangered language. N'ime *Multilingual journal of cross cultural and*

*center language communication*. 25 (5),443-452.

Ikeokwu, E.S. & Onyejekwe, M.C. (2004). *Mmalite ọmụmụ na nghọta ejije ọdịnala na ọlọrọọhụụ.* Enugu: CIDJAP Press.

Mbah, B. M. & Mbah, E.E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo stylistics*. Enugu: University of Nigeria Press.

Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Enugu: University of Nigeria Press.

Madụ, U.E. (2015). Critical analysis of Igbo-Ọmaba chants as poetic Culture in Leja town, Nsụka, Enugu state, Nigeria.A Gụpụtara Maka Nnweta Nzere Ph.D N'agụmagụ, Ngalaba Amụmamụ Asụsụ Bekee.

Morris, C.W. (1971). Semiotics for beginner: introductory file://bibliotecal /aligorithms/semiotics/sem01.htm. Ụbọchị mbute: 29/07/18.

Nnebedum, T.N. (2021). *Ntụlekọrịta Nka Ejije Ọdịnala nakwa nke Ọgbara Ọhụrụ n'agụmagụ Igbo.* Edemede Nchọcha Nzube Mmejupụta Ụfọdụ Ihe ndịa Chọrọ Iji Nweta Nzere Ph.D n'Agụmagụ na Aka Nka Igbo. Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ, Agụmagụ Na Aka Nka, Mahadum Steet Ebonyi, Abakaliki.

Nnebedum, T.N., Nwizu, P.C. na Onuora, N.T. (2024). *Ụfọdụ Egwu Alụmalụ Ọdịnala Igbo: Mbụrụ* Ndụmọdụ Nye Ndị na-Aba n'Ogo Alụmalụ Maka Mmepe Obodo.2636-7149-6300 International journal of Arts, Languages and literary studies (JOLLS). Vol 13, No 1 ISSN: https://jolls.com.ng/v2/index.php/jolls

Nwadike, I.U. (2003). *Agụmagụ ọdịnala Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers.

Nwokonye, N. (2024). Ajụjụ ọnụ a gbara Ọkankụzi na Mahadum banyere mgba.

Nworgu, B.G. (2015). *Educational research: Basic issues and methodology* (Mbi.3). Nsuka: University Trust Publishers.

Ogunbiyi, Y. (1981). *Nigerian theatre and drama*: *A critical profile.* N'ime Y. Ogunbiyi. (Ọhz).*Drama and theatre: a critical source book* (ihu3-53). Obodo mepere emepe: Pitman Press.

Ogu-Raphel, I. (2009). The ritual construct in Nigeria "home video" films. *Unizik Journal of Arts and Humanities,* 10 (1),75-85.

Ogbuji, S, N. (2024). Ajụjụọnụ A gbara otuy n'Ime Ndị Okenye n'Obodo Nimo.

Okebalama, C.N. (2003). *Mkpọlite Agụmagụ Ọnụ Igbo*. Enugu: SNAAP Press.

Ọkanụme, A.C. (2017). Classicsm in Igbo literature: A study of selected early Igbo novels. Semịna A Gụpụtara Maka Nnweta Nzere Ph.D N'agụmagụ, Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ,

Ọgbalụ, C. (1981). *NdụndịIgbo*. Onitsha: Univerty Publishers.

Thomson, G. (1946). *Marxism and poetry*. New York. International Publishers. https://www.goole.Igbo culture.com. Ụbọchị mbipụta 20/10/2018.

https://www.youtube.com/watchtv For7 m8fcQvy ụbọchị mbipụta 20/10/2018.